# Atụmatụ Mgbasa Oziọma nke Archdiocese nke Toronto

Ndị ezigbo nke Archdiocese nke Toronto:



Nkenke nchịkọta okwu nke Atụmatụ Mgbasa Oziọma maka Archdiocese nke Toronto na-enye anyị oghere ịtụgharị uche n'ekpere ka Jesu siri rịọ anyị ka anyị na-ebi ka ụmụazụ ya.

Mgbasa Oziọma a gbara mgbọrọgwụ nke ukwuu n'ekpere, isi nke mbọ anyị.

Ọrụ anyị dị ụzọ abụọ. Ọrụ mgbasa oziọma (ime mmụọ) anyị bụ ịzụlite yana ịkwado ahụmihe okwukwe nke ndị katọlịkị kwenyere, na-adọrọ ụkpụrụ nke St. Peter, onye nke Jesu gwara, "Zụọ ụmụ atụrụ m." Ọrụ apọstọlịkị (pụtara ịhịe) anyị bụ ikwupụta Oziọma, gụnyere ma ndị kwere ekwe na ndị anọghị n'ụka. Ụkpụrụ anyị na mbọ a bụ St. Paul, bụ onye mbụ zutere Kristi site na ntọgha wee kwuwapụta Ya n'ụwa niile.

Atụmatụ Mgbasa oziọma anyị na-akpọku onye Katọlịkị ọ bụla na archdiocese ka ọtụgharịa uche n'ọrụ anyị n'ọtụtụ onyinye Chukwu dị ka odibo, na-akpọkụ anyị na ntọgha ime mmụọ dị omimi nke na-eduba anyị na mmụọ nke inye onyinye, nke ekpughere nke ukwuu n'ikere ndị ọzọ oge na onyinye anyị. Anyị na-ebi oge niile na mmụọ inye ekele, n'achọ ụzọ ga-amịta mkpụrụ ihe niile nke enyere anyị, n'ịrụ ọrụ Chukwu yana agbata obi.

Uche anyị dị na isi eriri nke a ga-akpa gburugburu atụmatụ mgbasa oziọma a. Iji rụọ ọrụ anyị nke ọma, anyị ga-agba mbọ hụ na: etinyere ezinụlọ, tụmadị ndị ntorobịa; nwee anụrị na omenala anyị dị iche iche; jiri akọnuche jikwaa akụrụngwa anyị nke ọma; yana kpakọrịta nke ọma.

Nchịkọta okwu a ga-adọrọ n'onyogho akwụkwọ nsọ nke mgbọrọgwụ (Jesu) na araka (ndị nke ya). Isi ntụkwasa obi ise a ga-enye aka duzie ụzọ njem a.

A na m akpọku gị ka ịmụta maka "usoro ụzọ" anyị maka njem anyị site n'iga na ohere ọpụrụiche dị n'ịntanetị: gaa **www.archtoronto.org/pastoral** iji nweta atụmatụ mgbasa oziọma zuru ezu gụnyekwara ihe akụrụngwa ndị ọzọ na ngwa ntụgharị uche.

Enwere m afọ ojuju n'ọrụ nke ị na-arụ iji kwado ogbe anyị. Nwee ntụkwasa obi n'ekpere m dị ka anyị n'enwekọ ọ ụ n'ịrụ ọrụ n'ubi nke Chineke.

Onye nke gị na Kristi,

+ Thomas Card. Collins

Thomas Cardinal Collins
Archbishop nke Toronto

# Isi Nduzi Ụzọ Ise

## Ndụ Ngalaba Ụka

*na ndị niile kwenyere bịakọrọ ọnụ wee nwekọọ ihe niile ọnụ... - Acts 2:44*



Ngalaba ụka anyị bụ ebe obibi nke mmụọ, bụ ebe anyị na-ezute onwe anyị iji wee zute Kristi. Atụmatụ anyị na-akpọku anyị ka anyị mee ngalaba ụka 225 anyị ka ọ bụrụ ebe nnabata na nlekọta ọbịa, gụnyere ma ndị anyị na ha nọ kwa izu ọ bụla na ndị na-alaghachite ụlọ ka ọtụtụ afọ gachara. Anyị ga-akwado onwe anyị nke ọma izu ọ bụla iji mee mmemme sakramentị wee kwado ntinye uche na nsonye nke ọma onye ọ bụla. Anyị ga-akwado ndị ụkọchukwu anyị na ndị dịkịn dị ka ha na-edu ụzọ, na mgbe arịọrịọ anyị maka enyemaka, na anyị ga-aza. Anyị niile nọkọrọ ọnụ n'ihe a. Ọ dị mkpa na anyị nwere anụrị n'ọtụtụ ngalaba ụka ndị nke malitegoro mịnịstrị mgbasapụ oziọma na mmemme nke na-akwado ezinụlọ, n'ụka mpaghara. Anyị nwere ike ịmụta site na ọmụmaatụ ịtụnanya ha. Gaa www.archtoronto.org/parishlife iji hụ ebumnuche asatọ ejikọtara na "Ndụ Ngalaba Ụka".

## Ịkpọ Oku

*"Bịa soro m," Jesu kwuru, "na m ga-eme gị ndị na-akụta mmadụ." Ozugbo ha hapụrụ ụgbụ ha wee soro ya. – Mathew 4:19-20*





Chukwu na-arịọ anyị niile ka anyị "wụọ ụgbụ anyị" wee chọpụta ebe Ọ na-eduga anyị. Anyị chọrọ ndị ụkọchukwu iji duo ngalaba ụka nke archdiocese, dịkịn ga-enyere ha aka, iji zụpụta ndị nkịtị ka ha kwado mịnịstrị anyị dị iche iche yana ụka ndị ogbe na-etolite etolite. Onye katọlịkị ọ bụla nwere ike bụrụ onye na-ekwuchitere ịkpọ oku , site n'ekpere, nkwado yana ịkpọ oku. Anyị ghọtara mkpa ọ dị ijikọ mmemme nke nhazi mịnịstrị, iji wee hụ na ha na-arụ ọrụ nke ọma. Anyị agaghịkwa echefu ndị ụkọchukwu nke gbagoro anyị odibo n'afọ ndị gagoro aga, hụ na elekọtara ha n'oge ezumike nka ha. N'ijikọta ọnụ, anyị nwere ike kwado ọdịnala ịkpọ oku. Gaa www.archtoronto.org/vocations iji hụ ebumnuche isii ejikọtara na "Ịkpọ Oku".

## Izi oziọma nke Ọhaneze

*Gaa n'ime ụwa ka ikwuwapụta oziọma n'ebe ihe niile ekere eke nọ.*
*– Mark 16:15*



"Izi Oziọma Ọhụrụ," iji tinye ya mfe bụ, inwe mmasị nke okwukwe na Kristi na-eweta wee na-ekesara ya ndị ọzọ. Anyị ga na-agbalị iji hụ na-anụrụ olu nke okwukwe n'ama ọhaneze. Anyị kwenyere n'ụwa chọrọ nkwuwapụta oziọma ugbu a karịa oge mbụ. N'imepụta ya, anyị kwesịrị ịkwadosi ike akaebe ọhaneze anyị, wee nye olu ndị Katọlịkị maara ihe achọrọ site n'ịrụ ọrụ n'ụlọ akwụkwọ, mahadum na ewumewu ndị ọzọ. Anyị ga-eji teknụzụ ọgbara ọhụrụ wee sonyere ụbụbọ a, site na ụzọ mgbasa ozi ụka na ndị nkịtị, makụọ ụzọ mgbasa ozi mmekọrịta ọha na ngwa ndị ọzọ nke ga-ebuli oziọma wee nye akụrụngwa izi oziọma siri ike na archdiocese anyị. Gaa www.archtoronto.org/evangelize iji hụ ebumnuche ise ejikọtara na "Izi oziọma nke Ọhaneze".







## Mgbasapụ aka Katọlịkị N'Ikpe Nkwụmọtọ na Ịhụnanya

*Mmụọ nke Chukwu dakwasara m, n'ihi na Chukwu tere m ude nsọ; o zitere m ka m butere ndị a na-emegbu emegbu ozi ọma, kwachie ndị obi gbawara, kwuwapụtara ndị eji eji mnwere onwe, yana mgbapụta maka ndị nọ n'ụlọ nga.*
*– Isaiah 61:1*

Atụmatụ mgbasa oziọma anyị na-echere anyị aka mgba ịgba akaebe yana ịgba odibo n'ụzọ dị iche iche yana ịbụ onye na-ekwụchịtere ebe enwere ikpe akwụghị ọtọ: site na nlekọta mgbasa oziọma ndị ogbenye na ndị a na-akpagbụ, ụmụ akwụkwọ ndị nọ n'ụlọ akwụkwọ, ndị nọ n'ụlọ mkpọrọ, chọrọ ebe mgbaba ma ọ bụ na-ata ahụhụ nke anụ ahụ ma ọ bụ ime mmụọ. Anyị nwere ike ime ihe niile ndị a site na ndị ngalaba ụka, ndị nkịtị nke ụka, ewemewu Katọlịkị, chaplensi na ọrụ mgbasa oziọma dị iche iche ịrụkọ ọrụ. Anyị nwere afọ ojuju maka ezi ọrụ ndị otu ịhụnanya Katọlịkị na ShareLife rụpụtara, n'agbanyeghị nke a anyị kwesịrị ime karịa. Anyị na-anụ okwu a na Mịsa, "Laa n'udo, na-eto Chineke site na ndụ gị". Kedu ka anyị ga-esi bụrụ aka na ihu Jesu n'ogbe anyị? Gaa www.archtoronto.org/outreach iji hụ ebumnuche anọ ejikọtara na "Mgbasapụ aka Katọlịkị N'Ikpe Nkwụmọtọ na Ịhụnanya".



**Katidral dị ka Akara nke Ọrụ anyị**
*N'ime ya ka arụkọtara ọnụ ụlọ obibi Chukwu site na mmụọ.*
*– Ephesians 2:20-22*

Katidral St. Michael, nne nke ụka nke archdiocese, site na mịnịstrị nke onye isi bishọpụ, na-ejikọ Katọlịkị mpaghara niile n'okpuru nkwagide eluigwe nke onye isi nchekwa nke ndị kwere ekwe, onye isi mmụọ ọma Michael. Dịka oyiri ndụ ngalaba ụka, katidral na-edu ụzọ na nlekọta mgbasa oziọma yana akaebe ọhaneze. Ọrụ nke amalitegoro iji jikwaa ma mezie katidral ga na-aga n'ihu. Anyị nwekwara atụmatụ n'akpalite mmụọ iji mepee akụkụ dị nso na katidral - "Katidral Blọkụ" – ka ọ bụrụ ebe mgbakọ, ofufe na mgbasapụ ozi, site na otu ukwe ụlọ akwụkwọ St. Michael, oghere mgbasapụ aka maka ndị ogbenye, yana ebe mgbakọ na ikuzi nkuzi, na inyekwa ohere maka nsonye ụwa site n'ụzọ mgbasa ozi na nka. N'obodo omenala dị iche iche n'ebe enwere ụzọ mgbasa ozi na-eto eto, ụka Katọlịkị ga-abụrịrị ụzọ okwukwe na izi oziọma. Gaa www.archtoronto.org/cathedral iji hụ ebumnuche anọ ejikọtara na "Katidral dị ka Akara Ọrụ anyị".

www.archtoronto.org

## Gaa n'ihu na Mkparịta Ụka

Ọkpaliri mmụọ anyị iji mee ka isonye na atụmatụ mgbasa oziọma anyị. Gaa na ịntanetị iji hụ "usoro ụzọ" yana ọtụtụ ngwa ndị ọzọ iji nyere anyị aka na njem a. Anyị enwebuola ihe ịtụ n'anya na-eme n'ụka anyị – anyị chọrọ inwe anụrị wee wụlite n'elu ndabere nke ahụ, ma ghọta na enwekwara ọtụtụ ihe ndị ọzọ enwere ike ime. Nke a bụ otu ị nwere ike isi nyere aka:

a) Sonye na ngalaba ụka mpaghara gị –gbaa odibo n'ebe nchụ aja nke Chineke ma ọ bụ na kansụl ngalaba ụka gị, bụrụ onye na-agụpụta okwu chukwu, onye otu ukwe ma ọ bụ onye nlete n'ụlọ. Anyị na-akwado onye Katọlịkị ọ bụla ka ọ chọpụta ụzọ nsonye na mpaghara ha.

b) Gaa www.archtoronto.org/pastoral wee nye nzighachi ozi gị na atụmatụ mgbasa oziọma a. Kedu ka isiri ahụta nke a ịpụta ihie na ndụ gị? Kedu ihe ngalaba ụka gị na-eme nke ọma? Kedu ebe ọ ga-agbalị iweli mbọ ya?

c) Ekpere – anyị na-arịọ onye Katọlịkị ọ bụla nọ na archdiocese ka ha na-eme ekpere maka ndị nke Chukwu niile na-arụ ọrụ n'ubi nke Chukwu kwa ụbọchị. Anyị na-atụkwasa onwe anyị obi iji kwado n'ime mmụọ atụmatụ mgbasa ozi wee nyere aka chọpụta usoro ịganihu, gụnyere ma mpaghara yana dịka archdiocese. Anyị na-aranye atụmatụ a n'aka Mary, Nne nke Chukwu wee n'arịọ ya ka ọ kpee ekpere ka anyị bụrụ ụmụazụ Jesu kwere ekwe.

twitter.com/archtoronto

facebook.com/archtoronto

# Atụmatụ Mgbasa Oziọma nke Archdiocese nke Toronto

Isi ngalaba atụmatụ mgbasa oziọma anyị ga-akwalite ebumnuche = na mgbasapụ aka n'ogbe anyị. Dịka anyị n'atụgharị uche ebumnuche ndị a, ọ bụ ekpere anyị na atụmatụ a ga-abụ ihe elele na ndụ nke onye Katọlịkị ọ bụla na archdiocese:





## Ndụ Ngalaba Ụka

*Na ndị niile kwenyere bịakọrọ ọnụ wee nwekọọ ihe niile ọnụ... - Acts 2:44*

(i) Ndị kwere ekwe iji nsonye zuru oke, ezigbo uche na mgbasi ike were mee mmemme nke oriri nsọ nke Sọnde
(ii) Oghere maka ekpere, nhazi na mmụba ime mmụọ
(iii) Ndụ mbịkọ yana ngalaba ụka na-enye nnabata, nlekọta ọbịa & mgbasapụ aka
(iv) Odudu mgbasa oziọma siri ike nke na-akwalite ọrụ nke mgbasa oziọma dị iche iche & agbakọrọ ọnụ Ọ
(v) chịchị mgbasa oziọma emere nke ọma – nhazi & kọmịtịị na ngalaba ụka nke na-akwalite ịgba odibo wee hụ na enwere nkọwa n'ihe gbasara ego
(vi) Na-akwado ezinụlọ, ụlọ ụka mpaghara
(vii) Nkwagide izi oziọma emere ọhụrụ – nkuzi ụka & nhazi n'ime okwukwe
(viii) Akaebe siri ike n'ọrụ apọstọlịkị – mịnịstrị mgbasapụ aka yana ọrụ





## Ịkpọ oku

*Bịa soro m," Jesu kwuru, "na m ga-eme gi ndị na-akụta mmadụ." Ozugbo ha hapụrụ ụgbụ ha wee soro ya. – Mathew 4:19-20*

(i)Kpee ekpere maka ịkpọ oku
(ii) Kwado ịkpọ oku mịnịstrị ndị echiri echichi na ndụ ịka ụka
(iii) Kwalite ọrụ mịnịstrị mgbasa oziọma ndị nkịtị n'etiti ndị ngalaba ụka na ụlọ ọrụ archdiocese
(iv) Tinye mmemme nke nhọta na nhazi maka mịnịstrị ndị echiri echichi na ụlọ akwụkwọ ọzụzụ ndị ụkọchụkwụ na St. Augustine
(v) Kwadosie ike mmemme nke nhazi na nkuzi maka ndị nkịtị ụka
(vi) Gbaa mbọ hụ na nhazi maka ndị ndụ mgbasa oziọma na-aga n'ihu site na mmemme maka ndị ụkọchụkwụ na ndị nkịtị ụka





## Izi Oziọma nke Ọhaneze

*Gaa n'ime ụwa ka ikwuwapụta oziọma n'ebe ihe niile ekere eke nọ. – Mark 16:15*

(i)Iji kwadosie ike akaebe amamihe nke ụka na omenala anyị, jikọrịta ọnụ na ewumewu mmụta Katọlịkị
(ii) Mmekọrịta na-aga n'ihu n'etiti archdiocese, ngalaba ụka, ụlọ akwụkwọ Katọlịkị, ọhaneze na-agbazinye ego yana ụmụ akwụkwọ n'aga ụlọ akwụkwọ ndị nkịtị
(iii) Iji kwalite mmụta, nkuzi ụka na nhazi n'ime okwukwe na ịdị asọ maka ndị nọ akụkụ ọhaneze niile, jikọrịta ọnụ na ewumewu mmụta Katọlịkị .
(iv) Iji mee ka omenala sonye site na amụma mgbasa ozi na nzikọrịta ozi, jikọrịta ọnụ n'ụlọ ọrụ mgbasa ozi na nzikọrịta ozi Katọlịkị
(v) Jikọrịta ọnụ na mmepụta nhazi na nkuzi maka ndị sonyere na mmụta apọstọletị, nzikọrịta ozi mmekọrịta ọha na mgbasa ozi.



## Mgbasapụ aka Katọlịkị na Ikpe Nkwụmọtọ na Ịhụnanya

*Mmụọ nke Chukwu dakwasara m, n'ihi na Chukwu tere m ude nsọ; o zitere m ka m butere ndị a na-emegbu emegbu ozi ọma, kwachie ndị obi gbawara, kwuwapụtara ndị eji eji mnwere onwe, yana mgbapụta maka ndị nọ n'ụlọ nga. – Isaiah 61:1*



(i) Gbaa mbọ hụ na amụma mgbasapụ aka nke ikpe nkwụmọtọ na ịhụnanya site na otu ịhụnanya gara nke ọma
(ii) Wepụta ọrụ mgbasa oziọma na-aga nke ọma, chaplensi na mịnịstrị nlekọta mgbasa oziọma
(iii) Kwalite nkwuchite ikpe nkwụmọtọ mmekọrịta ọha na-aga nke ọma
(iv) Kwadosie ike amụma mgbasapụ aka nke ngalaba ụka site na mbịakọta ọnụ archdiocese

## Katidral dị ka Akara nke Ọrụ anyị

*N'ime ya ka arụkọtara ọnụ ụlọ obibi Chukwu site na mmụọ. – Ephesians 2:20-22*



(i)Weghachite yana welite mma eserese nke Katidral St. Michael
(ii) Mepee katidral & katidral blọkụ ka ọ bụrụ ebe ọgbakọ, ofufe yana mgbasapụ aka.
(iii) Jikọrịta ọnụ bọdụ ụlọ akwụkwọ Katọlịkị & otu ukwe ụlọ akwụkwọ St. Michael
(iv) Tighachi ndụ na katidral & katidral blọkụ dị ka ebe izi oziọma

**Gbaa mgbọrọgwụ na ekpere . . .**

Ọrụ Mgbasa Oziọma Anyị ⟷ Ọrụ Apọstọlịkị anyị

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| Ndụ Ngalaba Ụka | Ịkpọ Oku | Mgbasapụ aka Katọlịkị n'ikpe nkwụmọtọ na ịhụnanya | Izi oziọma nke ọhaneze | Katidral dịka Akara nke ọrụ anyị |

Tinye ezinụlọ, tụmadị ndị ntorobịa

Nwee anụrị omenala anyị dị iche iche

Jiri akọnuche jikwaa akụrụngwa nke ọma

Kpakọrịta nke ọma

**...N'isochi ezi ịgba odibo miri emi**